# ỌLỤ DỊ ICHEICHE NKE ONYENCHÉ

**Aisaia 62:1-7; Ezikiel 33:1-19; Ilu 22:6; 29:15**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 369**

**NKe Ndị etiti**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Unu ndi nēchetara JEHOVA ihe, unu ederela du" (Aisaia 62:6).**

**Ngọzi**

Azọpụtara OnyeKraist ọ bụla n'ihi otù ihe. Ihe ọ chọrọ bụ ịgbanarị iwe Chineke, obi dị kwa ya ụtọ na ọ naejikere ịla n'Eluigwe. Ọ na añụrị kwa ọñụ n'ihi udo dị n'obi ya site na mgbe Jisọs bupụrụ ibu nke mmehie ya. Ọ sọpụrụwo Okwu Chineke site n'ịnara mgbaghara nke Jisọs nyere. Ọ naagbalị ikwere mkwà niile nke Chineke. Ihe ndịa mere n'ihi na amụwo ya ọhụụ.

Ma ịbụ OnyeKraist akwụsighị náání n'ịnara ngọzi niile Chineke naenye. Otù abụ naasị na agọziri anyị ka anyị wee bụrụ ngọzi nye ndịọzọ.

**"Agọzirim ị bụ ngọzi,**
**Zọpụtam ifè Onyenwem na Ezem;**
**Enyerem ìhè iji ya**
**Kpọta ndị ọzọ nye Ya."**

Mgbe anyị naakpa nso Jisọs karịa, anyị gaenwe ibuarọ n'obi ịgwá ndịọzọ na Jisọs hụrụ mmadụ niile n'anya, chọọkwa ka azọpụta onyemmehie ọ bụla. Jisọs bụ Enyi kachasị mma anyị nwere, ọ na ewute kwa anyị mgbe ndịọzọ jụrụ Ya.

**Ọlụ Enyere Aisaia**

Aisaia jiri obi ya niile hụ Chineke n'anya. Otù ụbọchị mgbe ọ naekpeekpere nime Ụlọukwu Chineke, Chineke ziri ya ijé kwusaara ndị Israel niile banyere ikpé gaje ịbịakwasị ha ma ọ bụrụ na ha echègharighị. Aisaia atụfughị oge ọ bụla, o nyeghị ihengọpụ dị icheiche maọbụ gwa Chineke na ya nwere ihe ọzọ ọ gaebu ụzọ mee. Ọlụ Chineke dị Aisaia óké mkpà karịa, dịka o kwesịrị ịdị onye ọ bụla náesoụzọ Chineke n'ezie.

Aisaia ji ọtụtụ arọ n'ikwesị ntụkwasịobi gwa ụmụmmadụ ihe ha kwesịrị ime ka obi tọọ Chineke ụtọ. Ọtụtụ mgbe ha achọghị ịnụ. Ha gara n'iru náeme mmehie. Ha nupụụrụ Chineke Onye Aisaia hụrụ n'anya isi. O wutere Aisaia. Aisaia enweghị izuike mgbe ụmụ Israel naeme mmehie náeme ka ikpé bịakwasị ha n'isi. Ibuarọ dị n'obi ya bụ ikwusa Okwu Chineke n'ike nke gaeme ka mmadụ niile chègharịa, ka Israel wee ghọọ mba ukwu náeto kwa Chineke n'iru Ndịmbaọzọ.

**Ịmụ̀waara Jisọs**

Chineke naele anya ka ụmụ Ya bụrụ ngọzi nye ụwa niile. Ọ chọrọ ka ìhè Ya mụwaa site n'ebe ndị Ya nọ, ka ha nye ụwa niile ìhè "Site na Zaịọn bú ebe mazuru nma, ka Chineke nwuputawooro ka ìhè" (Abù Ọma 50:2). Ndị nsọ Chineke bụ "Zaịọn" nke imemmụọ, Ọ naele kwa anya ka ha bụrụ "ebe mazuru nma." Ọ bụrụ na ị dịghịebi ndụ dịnsọ zuruókè, ị bụghị onye "mara mma n'anya Chineke. Ụwa hà naahụ́ Jisọs nime gị? Ị̀ naeme ka ìhè gị mụwa ka ndịọzọ mara na ị bụ OnyeKraist? Ọtụtụ mgbe omume anyị naekwuwa okwu karịa okwuọnụ anyị. Omume gị ọ̀ naenye Chineke otuto? Gbamgbá n'ekpere n'ihi ndịmmehie. Rịọarịrịọ n'ihi ndị siworo n'Ụgbọ Nzọpụta rịda.

Aisaia Onyeamụma sịrị, "Unu ndi nēchetara JEHOVA ihe, unu ederela du."

**Ndị nché N'elu Mgbidi**

Na mgbe ochie anaeji mgbidi dị elu gbaa obodo gburugburu iji gbochie ndịagha ịbịakwasị ya. Anaenwe ọnụụzọama nke anaemechi mgbe ihe egwù naabịa. Onyenché naeguzoro n'elu mgbidi, ebe ọ

pụrụ ilepụanya rue ebe dị anya nke ukwu. Onyenché kwesịrị ntụkwasịobi náadọ ndị bi n'obodo akanántị mgbe ọ hụrụ ka onye si ná mbaọzọ naabịa, ka ha nwee oge zuruezu iji mechie ọnụụzọama.

Ma ka anyị tule enweghị nleruanya nke ụmụmmadụ taa, banyere onye iro kachasị nke bụ ekwensu. O nwere amamihe, náagbalị kwa n'ụzọ niile ka ụmụmmadụ ga n'ọkụalammụọ. Ụfọdụ mgbe ọ naeme ka mmehie dị ka ihe maramma ka ụmụ okoro chéé na ọ dịghị ihe dị njọ ịnụpụrụ nnenanna isi wee pụọ ime mmehie dịka ụmụntà ndịọzọ. Ọ bụ ihe siiri ụfọdụ ụmụntà ike ime bụ́ iguzoro n'ihi ezi ụkpụrụ. Ha naachọ ime dịka onye ọ bụla si eme ọbụná ma o ziriezi maọbụ na o zighịezi. Nke a kpatara o ji dị mkpà ka enwee onyenché nke gaagwa ha iheegwu dị ná ime ihe megidere òzízí nke Akwụkwọnsọ.

Ndịnché a bụ nnenanna ha, ndị nkụzi Ụlọakwụkwọ Ụbọchị ụkọ ha, na ndịozi na ekwusa okwu Chukwu nye ha nime ụlọnzukọ. Akwụkwọnsọ sịrị na ọ bụrụ na ndịnché ekwesị ntụkwasịobi n'ọlụ ha ịdọ ụmụmmadụ akanántị banyere ihe mmehie gaewetara ha, ha gaanata ụgwọọlụ. Ọ bụrụ na ndị nụrụ emeghị ya, agaenye ha ahụhụ.

Ọ bụrụ na ndị mụrụ gị ekwesị ntụkwasịobi n'ịkụziri gị iwu Chineke, gosi kwa gị ihe atụ̀ ụzọ OnyeKraist kwesịrị iji bie ndụ, ma ị wee jụ irubeisi, ị gaenwe ahụhụ karịrị ukwuu. "Ọzọ, orù ahu, nke mara ihe onye-nwe-ya chọrọ, ma o dozigh, o megh kwa dika ọ chọrọ, agāpia ya ọtutu utari" (Luk 12:47).

Ụfọdụ ụmụntakịrị naeché na ọ bụrụ na ndị mụrụ ha ekwesị ntụkwasịobi, mgbe oge naaga ọ gaaghọrọ ha nzọpụta. Chineke naasọpụrụ ndị nnenanna dị otú a, wee sị: "Zulite nwata dika uzọ-ya si di (uzọ o kwesiri iga), ọbuná mgbe o mere okenye ọ gagh esi nime ya wezuga onwe-ya" (Ilu 22:6). Ma ndị nnenanna maọbụ Chineke n'onwe Ya apụghị ịzọpụta onye naachọghị. Onye ọ bụla aghaghị ichègharị site námmehie ya, wee rịọ Jisọs ka Ọ gbaghara. Mgbe anyị guzoro n'iru ikpé Chineke, onye ọ bụla gaaza ọnụ ya, ọ gaghị enye kwa ihe ngọpụ maọbụrụ na o nwegghị nzọpụta.

**Ibindụ Náenweghị  Mmehie**

Ndịnché bụ́ ndịnkuzi Ụlọakwụkwọ Ụbọchịụkọ na ndịozi aghghị ikwesị ntụkwasịobi ikuzi eziokwu nke Okwu Chineke. Baịbụl kwuru sị, "Onye ọ bula nke amuworo site na Chineke adigh emehie" (I Jọn 5:18), onye òzízí ọ bụla kwesịrị ntụkwasịobi naanọgide n'elu ụkpụrụ ahụ na ezi OnyeKraist adịghịeme mmehie. Baịbụl sịrị, "Aghagh imu unu ọzọ" (Jọn 3:7). Ọ dịghị onyeòzízí ọ bụla kwesịrị ntụkwasịobi gaagwa gị na ị pụrụ ijé n'Eluigwe site náánị n'ịbanye otù nzukọ maọbụ ibi ezi ndụ. Baịbụl sịrị na mgbe azọpụtara anyị, anyị bụ ndị ekerè ọhụụ. "Ya mere ọ buru na onye ọ bula di nime Kraist , ọ bu onye èkèrè ọhu: ihe ochie agasiwo, le, ha aghọwo ihe ọhu" (2 Ndi Kọrint 5:17). Onyeòzízí kwesịrị ntụkwasịobi gaagwa gị na ị ghaghị ịbụ onye agbanwere obi ya. Ọ bụrụ na ọ dịghị mgbanwe batara n'obi gị mgbe ị chere na ị ghọwo OnyeKraist, ị bụghị ezi onye náesoụzọ Jisọs .

Chè banyere ọlụ dịrị ndịnché a -- nnenanna, ndịòzízí, ndịozi maọbụ onye ọ bụla ọzọ nwere ọlụ n'ebe ị nọ. Ị ghaghị ịsọpụrụ ndị naeme ihe ha nwereike inyere gị aka ịbà n'Eluigwe. "Nēkwenyenu ndi-isi-unu, nēdo-kwa-nu onwe-unu n'okpuru ha: n'ihi na ndi ahu nāmu anya n'ihi nkpuru-obi unu, dika ndi gāza ajuju bayere unu; ka ha we were ọñu me nka, ghara isu ude: n'ihi na nka gābu ihe nābagh unu urù" (Ndi Hibru 13:17).

**Ndị nché Náekwesighị ntụkwasị obi**

Gịnị gaeme kwa mgbe onyenché ahụ náekwesighịntụkwasịobi? Chineke sịrị: "Mgbe M'nāsi onye nēmebi iwu, Gi onye nēmebi iwu i ghagh inwu, ma i kwugh kwa okwu idọ onye-nēmebi iwu aka-ná-nti ka o si n'uzọ-ya puta; onye ahu nke nēmebi iwu gānwu n'ajọ omume-ya; ma n'aka-gi ka M'gājuta ọbara-ya (Ezikiel 33:8). Onye mmehie agaghịagbanarị ahụhụ n'ihi na onyenché adọghị ya akanántị, ma ndị rapụrụ ịgwá ya gaanata ikpéọmụma n'iru Chineke.

**Ndị náeso Kraist**

Jisọs jiri arọ atọ na ọkaara kwusa Okwu Chineke nime ụwa, wee laghachị n'Eluigwe. O wee rapụ ndịnáesoụzọ Ya ịkọrọ ụwa akụkọ nke nzọpụta. Achụsara nzukọ Kraist mbụ n'ebe niile, ha wee náekwusa Okwu Chineke n'ebe ọ bụla ha jere. Ekwusawo Oziọma nke Jisọs rue ihe karịrị otù puku na

narị arọ iteghete (1,900 years), ma ihe karịrị ọkara nke ndị bi n'ụwa akanụghị aha Jisọs. Ọtụtụ ndị mkwusanjègharị n'onwe ha nwere ike ịbụ ndị náenwebeghị nzọpụta, ya mere òle otú ha gaeji kọrọ ndịọzọ banyere ọ̀mụ́mụ́ ọhụ? Ha abụghị ndịnché kwesịrịntụkwasịobi, ọ bụ ezie na ha nwere ọnụnụọkụ n'obi. Puku ebo abụọ dị (2,000) náenweghị ndị mkwusanjègharị, ọ dị kwa otù puku na narị asụsụ asaa (1,7oo) nke akatụgharịghị otù mkpụrụ okwu nke Akwụkwọnsọ.

Onye ọ bụla azọpụtaworo kwesịrị ịbụrụ Chineke onyenché. Gịnị gaeme mgbe otù nime ndị agbataobigị maọbụ enyi gị gaeguzoro n'iru ikpé wee sị, "Ọ digh onye ọ bula gwaram banyere Jisọs"? Otù nari puku mmadụ naanwụ kwa ụbọchị náanụghị aha Jisọs bụ ndị agbataobi nke ụfọdụ mmadụ. Jisọs nwụrụ ịzọpụta ha.

**"Otù narị puku madụ**
**Nānwụ nāgafe kw'ụbọchị,**
**N'enweghị nchègharị**
**Gị, nzukọ Kraist gāsi gị nị**
**N'iru och'ikpé nke Chuku,**
**Mgbe ha sị ọ bụ gị?"**

**Ndị ozi Setan**

Ndị ajọmmasdụ naalụsi ọlụike ehihie na abalị iduhie mkpụrụobi. Nime arọ irinaotù ndị òtù Communism gbasara n'ókéala ha niile náalụsị ọlụike nime nkeji ọ bụla nke ụbọchị, wee jide narị nde mmadụ iteghete na iriise (950 millon) n'orù.

Gịnị mere ajọ ọlụ ji agbasa ngwangwa karịa ezi ọlụ. Ekwuwo ya ọchịchị Comunism naejide ụmụmmadụ n'orù wee manye ha irubeisi site n'egwù; ebe okpukpé nke NdịKraist naeme ka mmadụ pụọ n'orù site n'irubere Kraist isi na nrọrọ nke onweonye, mee kwa ka mmadụ nwe udo na ndụ ya n'ụwa nke a, ya na ndụ ebighịebi. Ọchịchị Comunisim naalụ ọlụ ha na nzuzo, agaebibi kwa ndụ ha maọbụrụ na ha alụzụzughị ọlụ ha nkeọma. OnyeKraist nwere ohere niile, Chineke nọnyere ya. Ọ naenye ndịkwesịrịntụkwasịobi ezi ihe; eluigwe kwagidere mkwà niile ọ bụla ekwere. Ka anyị bụrụ ndịnché kwesịrịntụkwasịobi nye Chineke, náagbasa Oziọma kachasị ukwu nime ụwa ka ọtụtụ ndị nọ n'ọchịchịrị ugbu a hụ ìhè wee nwee ndụ ebighịebi!

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1 N'ihi gịnị ka eji zọpụta anyị?

2 Gịnị ka Chineke gwara Aisaia mee? Òlee otú Aisaia si zaghachị?

3 Gịnị mere ndịnché ji eguzoro n'elu mgbidi nke obodo n'oge ochie?

4 Kwuo ụfọdụ ụzọ Ekwensu si eduhie ụmụokoro.

5 Òlee ndị bụ ndịnché nke ụmụntakirị?

6 Kwuo ụfọdụ ihe ndịnché kwesịrị ikuzi.

7 Gịnị ka Chineke gaeme ndịnché náekwesịghịntụkwasịobi?

8 Gịnị ka Jisọs gwara ndịnáesoụzọ Ya ka ha náeme mgbe Ọ lasịrị?

9 Mmadụ òle bụ ndị akanụghị aha Jisọs?

10 Ònye gaje ịgwa ha?